**NNA ZOPUTAM N'IHI EBERE GI    PSALM 6  Key E$^b$**    2/4

**Onyenwem Chineke, Mee Ebere, Zoputam  n'ihi ebere Gi  -  (CHORUS)**

1. Chukwu Nna biko ejin'iwe wee bara m mba,
   Ezi Nna ejin'onuma taa m ahuhu

2. Mee re m ebere Nna, maka n'ike adighi m oo  o
   Zoo m Nna maka n'okpukpu m na'ma jijiji

3. Mmuo m no na nnukwu nsogbu, (Tenor only)
   Mana Ginwa Chukwu m, obu di ole mgbe? (tenor and bass)

4. Tugharia Chineke zoputa mkpur'obi m,
   Zo o m maka Obi Ebere Gi. (tenor and bass)
   Maka n'onweghi onye ga-echet Gi n'onwu  (tenor only)
   Kedu onye g'eto Chukwu n'ime ala mmuoo? (tenor and bass)

5. Akwa m n'ebe agwuna m ike, uchichi nile enu akwa m aburu so anya mmiri (Sop and Alto)

6. Ebego m akwa bekposia anya m; akago m nka n'ikpo ndi'rom, ebe ndi iro n'agba m okirikiri (Bass only)

7. Pubara nu moo ndi n'eme aru, maka na Chineke anuwo onu m; Onatara ekpere m; Onyenw'uwa anatago ayiyo m. (Sop and Alto)

8. Ihere ejidewo ndi'ro m, ha no na nnukwu nsogbu; ha ga-anghachi azu, ogba ha ghari na ntumade. (Sop and Alto)

9. Otiti diri Nna ji ike nile, Chukwu Nna na Nwa, Ya na Muo Nso n'uwa ebighebi. (Sop and Alto)